Olee Ihe Ndị Kwesịrị Ịdị na Foto A Na-adịghị na Ya?

Gụọnụ Jenesis 1:21-28. Ugbu a lezie foto a. Olee ihe ndị na-adịghị na foto a? Dee ihe ị chọ-pụtara n'okpuru ebe a. Soro kpọm kpọm ndị dị na foto a sechapụ ya. Teekwa foto a kreyọn.

1 .....

2 .....

IHE UNU GA-AKPARỊTA: Ònye ka Chineke sịrị "Ka anyị mee mmadụ n'onyinyo anyị, dị ka oyiyi anyị si dị"? IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ Jọn 17:1, 5; Ndị Kọlọsi 1:15, 16. Mgbe a sịrị na Chineke kere mmadụ n'oyiyi ya, olee ihe ọ pụtara? IHE GA-ENYE-RE UNU AKA: Gụọnụ Ndị Kọlọsi 3:10; 1 Pita 1:16. Olee àgwà Chineke na Jizọs kacha amasị gị? Olee otú ị ga-esi na-akpa àgwà ka ha? IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ Ndị Efesọs 4:31, 32; 1 Jọn 4:7, 8.

IHE UNU GA-EMEKỌ ỌNỤ: Otu onye dee aha ụmụ anụmanụ ise kacha amasị ya. Onye ahụ mee ụdị ihe ahụ Adam mere. Ya chee banyere otú anụmanụ ndị ahụ dị n'ọdịdị, otú ha si eme, na otú ha si ebe ube, ma gụọ ha aha ọhụrụ. Ya gụpụ-takwa aha ọhụrụ ndị ahụ ọ gụrụ ụmụ anụmanụ ndị ahụ ka o lee ma ndị ezinụlọ ha hà ga-amatali anụmanụ ọ bụ.



Ọ bụrụ na ị chọrọ ibipụtakwu ụdị ihe a ka ezinụlọ unu jiri ya na-amụ ihe, gaa na **www.jw.org/ig**

1. Nụnụ. **2.** Ọdụm.

www.jw.org © 2012 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania